Agha na Mbibi Ndụ site n'Iduuazi *Jụọ Obinna:* Mgbaso Atụtụ Ekokritisizim Site n'aka

Akaeze Chioma Magdaline
chioma.akaeze@unn.edu.ng +2348035531080
Department of Linguistics, Igbo, and Other Nigerian Languages UNN

Ugwuoke Uchenna Jude
Uchenna.ugwoke.pg0021@unn.edu.ng +2347065863118
Department of Linguistics, Igbo, and Other Nigerian Languages

Udechukwu Chinwe Nwandu
Chinwe.udechukwu@unn.edung+2349057746364
Humanities, Department University of Nigeria Enugu campus (odee nziga ozi)

Ụmị

Ihe gbasara nsogbu na mbibi na-eso agha n'ebe mmadụ na gburugburu ya nọ bụ ihe adịghị mfe ileghara anya. N'ọrụ nchọcha a, anyị lebara anya n'iduaazị Jụọ Obinna maka itule ka agha nwere ike isi metụta ndụ mmadụ na gburugburu ya. Agha bụ ụzọ dị mkpirisi mmadụ ji emebi ụwa n'eyighị uche n'ihe ọ na-eme ruo mgbe mbibi gachara. Ebumnobi nchọcha a bụ iji atụtụ Ekokritisizim tụlee akwụkwọ iduaazị Igbo bụ Jụọ Obinna wee nyochaa ihe agha nwere ike ime na ndụ mmadụ. Ụdị nchọcha a bụ nke kwọlitetiiv, nke na-agbaso usoro nnagha na ntụcha wee nyochaa nsogbu agha nwere ike ibutere mmadụ na gburugburu ya. E ji usoro ngụgharị na ngụmi họrọ akwụkwọ iduaazị Jụọ Obinna nke a kacha hụta njiatule bara uru n'isiokwu a. E mere ngumi wee wepụtasịa njiatule ndị dị mkpa n'ime iduaazị e ji rụọ ọrụ maka nchọcha a ma tụchaa ha. Site na nchọcha anyị mere, a chọpụtara na agha na-ebute ihe mbibi dịka: mmadụ ịnara oke ntaramahụhụ site n'aka mmadụ ibe ya, inwe oke agụụ n'obodo, oke ụzụ na mkpọtụ, mgbarụ ikuku, mbibi gburugburu, oke nkwafu ọbara tinyekwara mgbanwe ihu igwe. Site n'ihe ndị a chọpụtara, ndị nchọcha na-akpọku ndị ọchịchị ka ha na-eme ihe kwụ ọtọ iji gbochie agha na ọgbaghara. N'aka nke ọzọ, ndị ntorobịa ka a na-enyekwa ndụmọdụ ka ha were mkpariṭaụka soro nghọtahie ọbụla dapụtara n'obodo karịa ịkpụ ngwaagha na ịma tigbuo zọgbuo.

Okwu nị dị ọkpụrụkpụ: Agha, Ekokritisizim, na Mbibi Ndụ

Ábstract

The issues bothering on conflict and destructions as they affect individuals and their environment are not topics that can be easily overlooked in our contemporary world. Climate and environmental studies have become the concern of many scholars. In this research, we focused how a literary scholar can contribute to this topical issue. Our major concentration on investigating a literary text, ***Jụọ Obinna***, in order to assess how war can on impact human life and the environment. The aim of this research is to apply the theoretical framework of Ecocriticism in the study of the Igbo novel tited, *Jụọ Obinna* and examine what war can do to human life. This type of research is qualitative, following a narrative and descriptive approach to analyze the problems that war can bring to individuals and their environment. The novel, *Jụọ Obinna* was selected for this analysis using the intensive document observation of reading and re-readng to ascertain the text that is most appropriate for the study, as this method was deemed the most valuable in this context. The team conducted a thorough textual review and identified the key findings within the framework used for this research and analyzed them. From our research, it was discovered that war leads to destruction such as: people suffering extreme punishment from their peers, excessive hunger in the community, excessive noise and disturbance, air pollution, environmental destruction, excessive bloodshed, and climate change. Based on these findings, the researchers are urging policymakers to take decisive actions to prevent wars and conflicts. On the other hand, the youth are also advised to engage in discussions to resolve any misunderstandings that arise in the community rather than resorting to violence and killing.

Key words: War, Ecocriticism, and Destruction of Life

Ntọala nchọcha

Agha bụ otu n'ime nsogbu kachasị nnukwu nke cheere mmadụ n'ihu n' oge ugbu a. Ihe e ji mara ya bụ mgbarụ ihu igwe, obi mmadụ na gburugburu ebe obibi mmadụ. ỤdỊ mgbarụ ndị a bụ ndị nwwere ike ibute nnukwu mbibi nye mmadụ dị ndụ na ndị ka ga-apụta ụwa. Ebe ọ bụla a lụrụ agha, ala ebe ahụ ga-agba ama ihe mere. Mgbanwe na-anaghị ewete ọńụ na-eju ihu igwe. Ndị odee agụmagụ

n'oge ọ bụla nwechara ụzọ ha si agba ama ihe ndị ha na-ahutagasị na ndụ, ọ kachasị na gburugburu ha. Ọ bụ ya mere o ji dị mkpa iji agụmagụ wee nyochaa nsogbu agha nwere ike ibute na ndụ mmadụ na ogige ya. Ụdị ihe omumu a ga-enye aka ime ka ndị mmadụ kpachara anya etu ha si etinye aka na mbibi ụwa ha bi n'ime ya. Ụbọchị niile ka a na-anụ maka agha na mbibi ndụ n'obodo dị iche iche. Ọtụtụ agha ndị a bụ ndọrọndọrọ ọchịchị, iwe, ajọ obi, ọnụma, mmegbu, mkpagbu dgz na-akpali ha . Ubesie ji iduazị *Jụọ Obinna* wee zipụta uche ya gbasara etu agha Biafra si mee ndị Igbo na gburugburu ha arụ. Ụfọdu agha bụ nke a kaara igbochi ma ọ bụrụ na ndị ọchịchị na ndị mmadụ nkịtị na-eme ihe kwụ ọtọ. Ọ bụ eziokwu na agha nwere ike bie mana obodo na ndị mmadụ bi na ya na-ata ahụhụ na-eso agha gatee aka. Ihe na-ebute ụdị ọnọdụ dị otu a bụ na otu agha biri ebi nwere ike iweli isi ọzọ ịkpalite agha ọzọ. Na mpaghara Naịjirịa dị iche iche taa, e nwegasịrị otu dị iche iche na-eyi mmadụ egwu. Ka ha na-eyi mmadụ egwu bụ ka ha na-akwafu ọbara ma na-ebibikwa gburugburu ulu na ala mmadụ. Ndị odee agụmagụ bụ ndị a maara na-eke nkwụcha elemi anya n'ihe na-emegasị na gburugburu ya n'oge nke ha. Ha na-ejikarị aka nka pụrụ iche ezipụtara ụwa ihe ha na-ahụ Ya mere o ji dị mkpa iji agụmagụ na nnyocha agụmagụ zie ọha ozi ha kwesiri ịma gbasara ka ihe ha na-eme nwere ike isi emetụta ụwa gbara mmadụ gbụrụgburu; ma na ugbu a, ma n'ọdịniihu.

Nsogbu gbasara gburugburu, ọnọdụ ihu igwe na ndụ mmadụ n'ụwa akarịala ihe naanị ndị sayensị ga-elebara anya. Ọ bụ ya butere ndị agụmagụ ji tụpụta atụtụ ekokritisizim iji gbaso ya wee lebawa anya na nsogbu ndị a na-ahụta na ndụ na gburugburu mmadụ. Ekokritisizim bụ ihe ọmụmụ ganyere aka na ngalaba ọmụmụ dịgasị iche iche ma bụrụ nke na-elebanye anya na njikọrọ agụmagụ, omenaala na gburugburu mmadụ. Isiokwu ihe ọmụmụ ekokritisizim bụ inye nghọta gbasara ka ọrụ nka agụmagụ na omenala si ezipụta ma na-metụta ihe ekere ụwa na ka ha si enye aka ikwalite nghọtawanye ihe ekere na gburugburu mmadụ. (https://www.studysmarter.co.uk/explanations/english-literature/literary criticism-andtheory/eco-criticism/) Glotfelty na Fromm (1996) kọwara ekokritisizim dịka ihe ọmụmụ banyere mmekọrịta agụmagụ na gburugburu mmadụ Ọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ ekokritisizim iji tulee ma ọ bụ naanị ọbara ka a na-akwafu n'oge agha ka e nwere ihe ndị ọzọ a na-emebi bụ ihe ndị na-emetụta ebe obibi mmadụ n'ụwa. Ebe mgbakwasị ụkwụ anyị bụ na ọ bụ agụmagụ na-eme ka mmadụ tinye uche etu o si emeso ihe ekere dị n'ụwa omume chee

echiche maka nchekwa eluala mmadụ bi na ya. Site n'ihe amụmamụ ekokritisizim, mmadụ na-enwe ezi nghọta maka gburugburu ya wee sepu aka na mmeso ọjọọ nye gburugburu ya.

Ebumnobi nchọcha a bụ iji atụtụ Ekokritisizim tụlee akwụkwọ iduaazị Igbo bụ Jụọ Obinna. Ebumnoobi nchocha kpọmkwem bụ ịtụle nsogbu maọbụ ụdị mbibi agha nwere ike ibute na ndụ mmadụ ya na gburugburu mmadụ.

Ụdị nchọcha a bụ nke kwọlitetiivu, nke na-agbaso usoro nnagha na ntụcha wee mee nyochaa nsogbu agha nwere ike ibutere mmadụ na gburugburu ya. Ebe nchọcha bụ n'agụmagụ ederede Igbo nke bụ iduazị Igbo. E ji usoro ngụgharị na ngụmi wee họrọ akwụkwọ iduazị Tony Ubesie dere bụ *Jụọ Obinna* nke a kacha hụta njiatule bara uru n'isiokwu a. E mere ezi ngumi wee wepụtasịa njiatule ndị dị mkpa n'ime iduazị e ji rụọ ọrụ maka nchọcha a ma tụchaa ha. A gbadoro ụkwụ n'atụtụ ekokritisizm wee nyochaa njiatule ndị a ma jiri nseke wee tụchaa ha iji nweta ụsa nye nsogbu nchọcha.

Ntụleharị agụmagụ

Nkọwa agha

Agha bụ isiokwu terela aka a malitere ikwu maka ya. Ọ bụ ọnọdụ nghọtahie na-ebute. Ọ bụ ihe adịghị mma nye ndụ. Ndị kacha ata ahụhụ so agha abụghị ndị bulitere ya kama ọ bụ ndị aka ha dị ọcha n'amaghị ihe butere ya bụ ọdachi kpọmkwem. Sorel (1912) kọwara agha dịka ụzọ obodo abụọ si edozi nghọtahie ha nwere dịka o si gbasata ọrụ, ikike na ọchịchọ mgbe ha enweghị ike iji ụzọ udo wee dozie ya. Nke a pụtara na ha ga-eji ike na ngwa ọgụ wee tulee ndị ka ibe ha. Otu ọbụla ka ibe ha ga-amanye ndị nke ọzọ ime etu ha si chọọ. N'otu aka ahụ, Kallen (1939) na-ahụta agha n'ụzọ ọchịchị nke mere o ji kwuo na agha bụ ndọrọndọrọ e ji ngwa agha adọ nke metụtara obodo abụọ nwere onwe ha nke ji ndị agha a zụrụ azụ alụ ọgụ ka e nweta otu ihe ha na-azọ. Clare (1971) na-akọwa agha dịka iwepụta ọgbaaghara iji mee ka onye iro mee ihe ị chọrọ. Nke a pụtara na ọ bụ ịgwọkọta ọgbaghara na usoro ọchịchị iji nweta ihe ọma n'aka ndị iro. James na Friedman (2006) na-ekwu na ụfọdụ ndị ọkammụta na-ahụta agha dịka ozurumba ọnụ na ihe dị mmadụ niile, ebe ndị ọzọ na-ekwu na ọ bụ ụfọdụ ọnọdụ dịka akụnaụba, omenala na nsogbu gburugburu na-akpali agha.

Na nkọwa Fried (2014), agha bụ nnukwu ọgbaaghara dị n'etiti obodo maọbụ otu abụọ nke a na-ejikarị ndị soja alabisi ndụ na akụnaụba n'iyi. Ndị ọchịagha na-adị njikere iji ihe ọbụla chụọ aja ka ha wee nwee mmeri. Ihe njirimara agha bụ ihe ike dị iche iche, mbibi, igbu mmadụ, ịla ego n'iyi na iji ndị soja kwara ngwa ọrụ.

Etu o si metụta ọrụ nchọcha a, anyị ga-akọwa agha dịka ụzọ dị mkpirisi mmadụ si emebi ụwa n'eyighị uche n'ihe ọ na-eme ruo mgbe o mechara ya. Nke a pụtara na mmadụ na-eji ike ya niile tinyekwara ngwa ọgụ dị iche iche wee na-ala ndụ na akụnaụba n'iyi n'echeghị echiche banyere ihe ọ na-eme. Mgbe agha dasịrị ka ndị fọdụrụ ndụ ji amata ihe ha lara n'iyi.

Mbibi Ndụ

Dịka nkọwa okwu n'ọwa ikuku si zipụta ya mbibi ndụ metụtara ịla ihe maọbụ mmadụ n'iyi nke nwere ike ibute ọnwụ na mkochapụ.(https://www.vocabulary.com.>dictionary>destruction) Castro,(2020) mere ka a mara na mbibi ndụ metụtara mbuda/mweda site n'ọnọdụ di elu gbadata ala nke nwere ike imetụta gburugburu mmadụ. N'aka nke ọzọ Jiang (2022) ji anya dị iche hụta mbibi site na ngalaba ihe ọmụmụ Ikọnọmiiks. Ọ hụtara mbibi dịka ihe nwere ihe mbamuru na ya. Ọ sị na mbibi maọbụ mmebi ndu bara uru bụ ụdi nke na-enye aka eme ka ihe ochie nye efe maka ihe ọhụrụ nke kacha baa uru iwere ọnọdụ ma dụru. Ọmụmatụ ya bụ mkpụrụ akụkụ ubi ndị ga-ebu ụzọ ree ure nwee mbibi tupu nke ọhụrụ epupụta. Ọzo bụ ụfọdụ omenala ndị a na-ekpchapụ maọbụ mebie tupu nke kacha baara obodo uru eguzobe. Site, nkọwa Jiang, e nwere ike inwe mbibi dị njọ na mbibi dị mma, ụdị mbibi a chọghị na nke a chọrọ, nke na-ewete ndụ ọhụrụ na nke na-ala ndụ n'iyi. Ka o sila dị, ebe ihe ọmụmụ anyị gbadoro ụkwụ bụ na ụdị mbibi na-ala ndụ n'iyi.

Ekokritisizim

Atụtụ ekokritisizim bụ usoro ọhụrụ e wepụtara n'agbata etiti senchuri nke iri abụọ, e ji enyocha agụmagụ. Ọ na-eleba anya na njikọrọ dị n'etiti mmadụ na gburugburu. Rueckert,(1978) n'akwụkwọ ya bụ, *'Literature and Ecology: An Experiment in Ecocriticism,'* ka ọ nọ tụpụta atụtụ mmekọrịta mmadụ na gburugburu ya. Ọ kọwara na a bịa n'atụtụ ekokritisizim, a na-ewebata ihe ọmụmụ gburugburu n'akwụkwọ agụmagụ. N'ekokritisizim, a na-achọpụta mmekọrịta dị n'etiti ihe na-eku ume na ihe adighị eku ume iji kọwapụta na ihe gbasara gburugburu dị mkpa

n'obibi ndụ. N'atụtụ ekokritisizim, a na-achọpụtakwa etu mmadụ si akpaso gburugburu ya agwa. . Opperman (1990) kọwara na uru mmekọrịta mmadụ na ibe ya bara bụ na ọ na-enyere ọtụcha aka inyocha njikọrọ dị n'etiti mmadụ na ihe e kere eke nakwa etu odee agụmagụ siri gosipụta njikọrọ a. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka ebe a na atụtụ ekokritisizim bụ ụzọ e si eme ka ndị mmadụ mata na e kewapụghị mmadụ na gburugburu ya. Ọ bụ mgbe mmadụ chefuru nke a ka a na-enwe nsogbu dị iche iche dịka mbuze, ide mmiri mgbanwe ihu igwe na ihe ndị ọzọ na-echere mmadụ aka mgba.

Na nkatọ atụtụ ekokritisizim, Server (1994) kọwara na okwu a bụ ekokritisizim na-eduhie ụzọ n'ihi na ọ hụtaghị mmakọrịta dị n'etiti agụmagụ na ọmụmụ gburugburu. Ebe ọ bụ na ekokritisizim na-ahụ maka mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na gburugburu ya. Server (1994) kwuru na ọ ga-aka mma ma ọ bụrụ na a kpọọ ya usoro nnyocha ebe obibi mmadụ.

Onye chọrọ iji atụtụ ekokritisizim tụchaa iduazị Igbo ga-eleba anya etu odee si gosipụta mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na gburugburu. N'ime nke a, ọtụcha ga-achọpụta ụdịrị agwa dị n'akụkọ na-akpaso ihe e kere eke ọ kachasị ihe anaghị eku ume. Agwa, ọ na-akpachapụrụ osisi maọbụ osimiri anya ka o ji ha eme ihe masịrị ha? Akparamaagwa agwa ọ na-eme ka mmiri ghara izo mgbe o kwesiri izo ka ọ na-eme ka anwụ chafee oke? Ọ na-azọgbusi ihe a kọrọ n'ugbo na-egbutusi ukwu osisi n'eleghị anya n'azụ? Ọ na-egbu anụọhịa aghara aghara? Ọ na-akpali mkpọtụ na ụzụ dị egwu? Ihe ndị a ka a na-eleba anya mgbe e ji atụtụ ekokritisizim arụ ọrụ inyocha agụmagụ.

Gogoi (2014) jiri atụtụ ekokritisizm nyochaa iduazi *Things Fall Apart* na *Arrow of God* nke Chinua Achebe dere. O jiri mkpụrụ anya ekokritisizm nyochaa ihe ọbịbịa ndị ọcha wetara gburugburu Afrịka. Site na nchọcha ya, a hụtara ọbịbịa ndị ọcha na okpukpere chi ha dịka ihe butere ụfọdụ mmebi nsọala dịka o si metụta mmekọrịta mmadụ na anụmanụ. Ndị ọcha mere ndị obodo malite igbu anụ eke nke ha na-asọ nsọ dịka chi ha. Ọbịbịa ndị ọcha mekwara ka a ghara ịhụta ịkwụ ụdọ dịka arụ megide ala maka na onye kwụrụ ụdọ ekwesighị ịbanye n'ime ala kama a ga-etufu ya n'ajọ ọhịa. Ndị ọcha mebiri omenala jikọrọ mmadụ na ihe a na-akọpụta n'ubi wee mee ka ndị mmadụ kọwaa ugbo ma werewa ihe ubi mgbe ọbụla masịrị ha n'abụghị mgbe omenala kwuru. A hụtakwara mbibi ọhịa na

nnukwu osisi site n'ịkwa ụzọ nke ọ bụ ndị ọcha ga-ebu ụgbọala ha gbaa. Ọbịbịa ndị ọcha n'Afrịka kpaliri imetọ gburugburu n'ụzọ dị iche iche. Gogoi (2014) gakwara n'ihu gosi mkpa ọ dị iji atụtụ ekokritisizm mewe nnyocha akwụkwọ ọkacha nke metụtara ọbịbịa ndị ọcha iji mara ihe butere nsogbu a na-ahụta na gburugburu taa na etu a ga-esi dozie ha. Nchọcha Gogoi (2014) yiri nchọcha a maka na ha abụọ jicha atụtụ ekokritisizm mee nnyocha iduazị metụtara gburugburu Afrịka. Etu o sila dị, ha dịwara iche maka na nchọcha Gogoi (2014) gbadoro ụkwụ n'ihe mbibi ọbịbịa ndị ọcha wetara gburugburu Afrịka mana nchọcha nke a na-agbado ụkwụ na mbibi nke agha wetara gburugburu anyị.

Eni (2018) mere nchọcha nke zipụtara agha dịka ihe ọdachi nye mmadụ na gburugburu ya. Ọ tụlere akụkọ ala so agha Biafra nke mere n'agbata afọ 1967 ruo n'afọ 1970. Ihe o ji mere nsere bụ akwụkwọ iduazị *Destination Biafra* nke Buchi Emecheta dere. Ya ka o jiri gosipụta agha dịka ihe ọdachị na-emebi ọtụtụ ihe. N'inyocha ihe kpalitere agha, ọ chọpụtara na ọ bụ ndọrọndọrọ ọchịchị na oke ọchịchọ so mmanụ ala butere ya bụ agha. Mana ihe ọdachi so ya gafere nke ọchịchị wee metụta gburugburu mmadụ. O jiri atụtụ ekokritisizm wee rụọ ọrụ. Na nchọpụta ya, a hụtara na agha butere nkwafu ọtụtụ ọbara, mmebi ọtụtụ akụnaụba nakwa mbibi gburugburu nke ga-emetụta obibi ndụ n'ọdịniihu. Na nchịkọta, ọ kpọkuru ka a kụziere ndị obodo ihe banyere ezi mmekọ mmadụ na gburugburu ya na mkpa ọ dị imepe obodo karịa ibibi ya. Nchọcha Eni (2018) yitere nchọcha a maka na ha abụọ ji atụtụ ekokritisizm rụọ ọrụ. Ha tulekwara ihe banyere mbibi so agha. Ndịiche dị na ha abụọ bụ na Eni (2018) ji akwụkwọ iduazị Emecheta dere n'asụsụ bekee mere ihe nsere mana ọrụ nke a ji iduazị *Jụọ Obinna* nke Tony Ubesie dere wee mere ihe nsere.

Javed, Nadeem na Abdullah (2024) mere nchọcha banyere ọrụ agụmagụ na-arụ n'ịgbazi mgbanwe ihu igwe. Akwụkwọ agụmagụ ha ji mee nchọcha a bụ iduazị *American War* nke Omar El Akkad dere. Mbunuche nchọcha ha bụ igosipụta etu ọrụ agụmagụ si agbasa ozi banyere ọnọdụ mgbanwe ihu igwe. Ha na-ahụta agụmagụ dịka ihe nwere ike ịgbanwe obodo n'ụzọ ga-enye aka n'ichuso nsogbu metutara mgbanwe ihu igwe. Ha jiri nchọcha kwọlitetiivu nyochaa mmebere iduazị *American War* dịka: isiokwu, agwa, nhazi akụkọ na etu o si zipụta ọnọdụ obodo Amerika n'ọdịniihu mgbe mgbanwe ihu igwe wetara mbibi. Ha zipụtara na akụkọ dị ka *American War* na-egosipụta mkpa ọ dị ime ngwa ngwa dozie

gburugburu na ime ka ihe banyere mgbanwe ihu igwe dịrị onye ọbụla n'obi. Ha na-akpọku ka ndị ọmụmụ ngalaba ndị ọzọ tinyewe anya n'ihe banyere mgbanwe ihu igwe ma buso ya agha. Nchọcha Javed, Nadeem na Abdullah (2024) yitere nchọcha a maka na ha abụọ jicha atụtụ ekokritisizm mee nnyocha akwụkwọ agụmagụ. Ndịiche dị n'ọrụ abụọ ndị a metụtakarịrị obodo a na-ekwu maka ya. Javed na ndị otu ya na-ekwu maka obodo Amerika ebe ọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ala anyị bụ Naịjirịa. Ọ dị mkpa ikwu na ihu igwe obodo abụọ ndị a dịwara iche.

Nchịkọta akụkọ *Jụọ obinna*

Jụọ obinna bụ iduuazi T.U. Ubesie (1976) dere. Iduuazi a bụ akụko agha. A malitere akụkọ a site n'irụtụ aka na ụmụ okorobịa niile nọ n'Achị abanyechala soja ọ fọdụ naanị Obinna. Nke a mere ụmụ agbọghọbịa ọ kachasị nwa agbataobi ha bụ Nnenna ji ajụ ya, "ị ka nọrịrị?" Obinna gara na nke dibịa Maazị Ọnyido ka ọ gwọrọ ya ọgwụ ọ ga-eji na-agbanahụ ndị na-akpụnye mmadụ na soja. Ndị ahụ mechara kpụrụ Maazị Ọnyido tinye na soja nke gosiri Obinna na ọgwụ ya enweghị isi. Nwanne ya bụ Emeka mechara bịa kpọrọ ya tinye n'ọrụ ebe a na-ebunye ndị soja mmanụ ụgbọala. Ọ nọ ebe ahụ malite izu ohi mmanụ ụgbọala na-erefu maka na ego a na-akwụ ya enaghị ezuru ya. Bọmbụ meruru ya ahụ mgbe ọ na-eme nke a. Mgbe ọ nọ n'ụlọọgwụ na-eme mpụ ka a kpụrụ ya kpọchie si etu ahụ tinye ya na soja kọmando. Ka ha nọ n'ihu ọgụ, ọ hụrụ Maazị Ọnyido onye nyere ya aka ịgba ọsọ chọwa ụzọ be ha. Naanị ihe Maazị Ọnyido nọ bụ ịkọ Obinna ọnụ na ịchọ ụzọ ọ ga-eji gwa ndị agbataobi na ọ gbara ọsọ ọgụ. Obinna mechara hapụ ya gawa Uli ebe ụgbọelu na-ada ka o bute akpa okporoko. N'ebe ahụ ka e jidere ya na enyi ya bụ Ndụbụisi kpọrọ ha kpọchie. Ka e kpechara ha ikpe, a kpụpụtara ha tinyekwa na soja. N'ihu ọgụ ka mgbọ tụgburu Ndụbụisi, Obinna eburu mmeru ahụ gbalaga. Mgbe agha biri, Obinna bu akpa okporoko lọta wee na-akọ akụkọ etu ha si na-akwa mgbọ n'ihu ọgụ. Maazị Ọnyịdo malitere ịkọ maka onye aha ya bụ Obinwanne nke na-agba ọsọ n'ihu ọgụ mechaa gaa n'ọdụ ụgbọelu zuru akpa okporoko. Ka a na-ajụ ya onye bụ Obinwanne, ọ sị ha, 'jụọ Obinna.'

Ngosi njiatule na ntụcha

A ga-ewepụta ihe ndị ahụ bụ mbibi agha na-ebutere mmadụ na gburugburu ya site na ndịnisiokwu ndị a: oke ntaramahụhụ na ihe ụfụ, mgbarụ ikuku, ụzụ na mkpọtụ, oke agụụ n'obodo, mbibi gburugburu na mgbanwe ihu igwe.

Oke ntaramahụhụ na ihe ufụ

Anụ ahụ mmadụ abụghị ihe e kere ka ọ naba ihe ụfụ. Akpụkpọ ahụ mmadụ dị nro nke mere na ihe mmekpa ahụ ọbụla bịara na-emepu ya ọbara. Oke ihe ụfụ bụ ọnọdụ kacha njọ mmadụ dị ndụ ga-enweta onwe ya. Ọ bụ ya mere iwu obodo dị iche iche ji emegide mmadụ inye ibe ya oke ntaramahụhụ anụ ahụ. N'oge agha, iwu dị etu a anaghị adị ire ma ncha. Ala mmadụ na-adị ka ala ụmụ anụmanụ. Nke a pụtara ihe n'iduazị *Jụọ Obinna*. Mgbe Obinna nọ n'ụlọọgwụ maka mmeru ahụ o nwetere mgbe a tụrụ bọmbụ, o nwetechara onwe ya malite ime mpụ ebe ahụ. Ọ na-anara ndị soja ego ma denye ha akwụkwọ adigboroja ga-enye ha ohere ịla ezumike ma gbaa ọsọ n'ihu ọgụ. Mgbe e jidere otu onye n'ime ndị ọ na-emere ihe a, lee ihe Ubesie kwuru maka ya:

> N'eziokwu onye hụrụ nwoke ahụ ga-ama na o jeruola be ndị mmụọ hụ ha anya. Ikekwe, ọ bụrụ na ha ajụ ịkpọrọ ya, n'ihi na ọ na-asọ oyi n'anya. Naanị ụtarị ndị soja ji pịarichaa ya azụ emeela ya nke bụ na ọ bụrụ anụ oriri, o nweghị onye ọbụla ike ga-ekwe metụ ya aka… (ihu 39).

Ihe a ka mmadụ mere mmadụ ibe ya. Ụdị ihe ụfụ dị etu a bụ mbibi ka ọ na-ewetara ndu. Ụfọdụ ndị gabigara ọnọdụ dị etu a na-esi na ya fere ọnwụ. Ọ bụghị naanị ndị soja ka e nyere ihe ụfụ a, Obinna n'abụghị onye soja natakwara nke ya. Tupu a kpụrụ ya kpọchie maka ihe ọjọọ o mere, e were ụtarị pịa ya n'azụ. Ka o jidere ụtarị aka, e were ụra na-ebu ajụ matuo ya n'ala. Ihe ụfụ ha mere Obinna ụbọchị ahụ bụ nke Ubesie kwuru na ọ bụghị ihe a ga-akọcha n'akụkọ. Ọ bụrụ na ọ bụghị n'oge agha, onye e mere ụdị ihe a nwere ike ịgba onye mere ya akwụkwọ n'ụlọ ikpe.

Ọnọdụ oke ntaramahụhụ pụtakwara ihe mgbe a kpọchiri Obinna na Ndụbụisi n'ụlọ mkpọrọ maka ohi ha zuru n'ọdụ ụgbọelu n'Uli. Odee kwuru na ha dị ihe karịrị mmadụ iri na asatọ n'otu ọnụ ụlọ. Ọtụtụ mmadụ ịnọ n'otu ọnụ ụlọ na-egbochi ikuru ikuku ọma. Ebe ọ nọ wee kara njọ bụ na ọnụụlọ ahụ enweghị mpio ebe ikuku si abata ma na-apụ. Ikuku mmadụ kuputara ka onye ọzọ na-ekuru. Ọnọdụ a bụ oke ntaramahụhụ na ihe egwu nye ahụike. Tinyere nke a, chịnchị na-ata oge ọbụla. Ha amaghị mgbe bụ ehihie na abalị maka na ebe ha nọ gbara ọchịchịrị. Ọ bụghị etu a ka ebe a na-akpọchi ndị dara iwu si adị maka na ha bụkwa mmadụ. Ọnọdụ a butere ọnwụ otu onye. Lee etu odee si zipụta ya:

> Ọ dịla anya mmiri oyi metụrụ Obinna n'ahụ. Ọ maghị ka mmiri oyi si na-ajudewe oyi ugbu a. Ma, otu ihe ọ mara bụ na ahụ nwoke a o metụrụ aka jụkarịrị mmiri ụgụrụ n'oyi. Ọ dịghị nke ichewe ka mmadụ gwa ya na ọ bụ naanị anụ ahụ nwoke ahụ ka dị n'ụwa tupu ọ mara na nwoke ahụ anwụọla (ihu 115).

Ọ bụ agha na-ebutere mmadụ ụdị oke ntaramahụhụ dị etu a nke e si na ya efere ọnwụ. N'ezie, nke a bụ mbibi nye ndụ na gburugburu.

Mgbarụ ikuku

Ikuku so n'otu ihe dị na gburugburu mmadụ nke nwere ike ịgbarụ ma bute nsogbu n'ụwa. Ihe ndị ọzọ nwere ike ịgbarụ na gburugburu gụnyere: ala, mmiri na mkpọtụ. Ajayi (2023) kọwara mgbarụ ikuku dịka mgbe ihe ísì adịghị mma pụrụ n'ikuku mebie ya nke bụ na ọ dịghịzi etu chi si kee ya. Ihe ndị a nwere ike ịbụ anwụrụ, ahụrụ, naịtrojin na sọfọ. Mgbe ihe ndị a banyere n'ikuku, ọ ga-eme ka ume mmadụ na anụmanụ na-ekuru ghara ịdị ha mma n'ahụ. Nke a pụtara ihe na *Jụọ Obinna.* Mgbe a tụbanyere Obinna na ndị ọzọ n'ụlọ mkpọrọ, otu onye n'ime ha nyụrụ ahụrụ ọ gbarụọ ikuku karịa etu o sibu gbarụọ na mbụ. Lee etu odee si zipụta ya:

> Naanị ụda ahụrụ nwoke ahụ kpọtere onye ọ bụla na-arahụ ụra. Ọ dịghị mkpa ịkọwa maka ụdị ísì o siri. N'ime ha niile n'ọnụ ụlọ nga ahụ, o nweghị onye hụrụ mmiri ñụọ ya n'ụdị ọ ga-egbo ya agụụ mmiri ma ya fọdụ nke ọ ga-eji wụọ ahụ. Ha niile nọ n'ebe ahụ na-esi ísì ka nkakwụ. Mara ka ísì ahụrụ nwoke a ga-adị (ihu 115).

Ọ bụ agha butere na ndị nọ na nga ahụghị mmiri ha ji asa ahụ ma ncha nke mere ka ha na-esi ísì bụ ịgbarụ ikuku. Onye ahụ nyụrụ ahụrụ n'ime ụlọ ọtụtụ mmadụ nọ wee gbarụọ ya nke bụ na odee sịrị ka ndị ọgụụ jiri aka ha mara etu ísì ahụrụ ahụ ga-adị. Mgbe a kpọpụtara Obinna n'ụlọ mkpọrọ, lee ihe odee kwuru maka mgbarụ ikuku:

> Ekele dịrị ihe kere ụwa, na ezigbo ikuku Ọbasị dị n'elu kere na-aba ya n'imi ugbu a, ọ ghara ịbụ naanị ísì ahụrụ mmadụ nyụrụ, ísì ozu oke nwụrụ anwụ… na ísì ozu mmadụ (ihu 118).

Nke a egosila n'ezie na mgbarụ ikuku na-ebute ísì ma ísì adịghị mma nye ụwa. Ísì adịkwaghị mma nye ahụ mmadụ maka na ikuku bụ otu n'ime nri mmadụ na-eri. Onye rie nke adịghị mma, ọ bụrụ nsogbu nye ahụike ya.

Oke ụzụ na mkpọtụ

Oke ụzụ bụkwa ụdị mgbarụ ọzọ e nwere na gburugburu nke na-apụtakarị ihe n'oge agha. Ụzụ dịka Ajayi (2023) si kọwaa bụ mgbe oke mkpọtụ nke adịghị ụtọ na ntị mere nke nwere ike imekpa mmadụ na anụmanụ ahụ. Ihe nwere ike ibute ya bụ mfegharị ụgbọelu dị iche iche, ụda egbe, mkpọtụ ụgbọala na mkpu ndị mmadụ na-eti. Ụzụ nwere ike ibutere mmadụ ọrịa dịka isi ọwụwa, arahụghị ụra, ntị mgbu, anụghị ihe na nghasa ụbụrụ. N'ọrụ nchọcha a, anyị ga-atụle ha na ndịnisiokwu atọ nke gụyere: ụda egbe, ụzụ ụgbọelu na ụda bọmbụ.

Ụda egbe

N'akwụkwọ *Jụọ Obinna* ọ bụ ụda egbe a na-anụ n'ihu ọgụ mere ka ụmụ nnụnụ na ụmụ ahụhụ kwesiri ibe n'abalị mechie ọnụ. Mkpọtụ ụda egbe na-ada dịka Ubesie si kwuo ya n'ihu 101 na-eyi mmụọ na mmadụ na ụmụ anụọhịa egwu. Mgbe ụfọdụ, mkpọtụ egbe na-eme ka onye dị ndụ chee na ya anụọla. Mgbe Obinna gara ọzụzụ ndị amị kọmando, a na-azụ ha ka ụda egbe kwụsị ime ka ha tụọ ụjọ. Mgbe ọbụla a gbara egbe, ụda ya asụchie ha ntị. Ihe butere ọnwụ enyi Obinne n'ebe ahụ bụ na ọ tụrụ ụjọ mgbe ọ nụrụ ụda egbe onye na-enye ha ọzụzụ gbara ya n'ihu. Nwoke ahụ were iwe gbarie ya isi ọ nwụọ. Mkpọtụ ụda egbe na-ebu abụghị obere ihe. (n'ihu: 90)), odee mere ka anyị mata na ụda egbe shel na-ada n'Agụlụ na-eru n'obodo Owere-Ezukala. Ụda egbe shel bụkwa nke odee kwuru na ọ chụmiela ndị mmụọ, chụpụ ha n'ụwa a. Ọ bụrụ na e nwere ndị mmụọ fọrọ ị mara na ha abanyela soja. Ụdị ụda egbe na-ada bụ nke ndị ntị chiri na-anụ. Lee etu Ubesie si chịkọta mbibi ụda egbe na-ebute n'ụwa:

> Ọhịa na ụzọ bụ naanị mmadụ; ma ndị dị ndụ ma ndị nwụrụ anwụ. Ndị nwụrụ anwụ ka ndị dị ndụ mma maka na ha anọkwaghị ndụ na-anụ ụdị ụda shel a Obinna na-anụ (ihu 128).

Ikwu na ọnọdụ ndị nwụrụ anwụ ka ndị dị ndụ mma maka ụda ha na-anụ ezuola ịkọwa ụdị mbibi ọ na-ewetara ndụ.

Ụzụ ụgbọelu

Ụdị mkọtụ ụgbọelu na-eme abụghị ihe mmadụ kwesiri ịnọ nso were na-anụ. Ọ bụ nke a mere e ji arụ ọdụ ụgbọelu n'ebe tere aka n'ụlọ obibi. Ụzọ ụgbọelu bụ n'elu elu ebe mkpọtụ ya agaghị adachi mmadụ ntị. Ma etu ọnọdụ dị n'oge agha a kọrọ maka ya na *Jụọ Obinna*, ụgbọelu na-efe ala ala n'ebe mmadụ nọ wee na-asụchi ha ntị. Ọ bụghị naanị ịsụchi ntị, igbu mmadụ na-esokwa ya. Lee ka Ubesie si kwuo ya:

> Ọ bụrụ ma Obinna na ụgbọelu. Ụzụ ụgbọelu ahụ na-eme wee na-abịa egbuolarị Obinna egbuo, nke mere na mgbe ọ nụrụ ụda bọmbụ, ebe ọ na-atụ anya na ya nọ bụ n'eluigwe maọbụ ọkụmmụọ (ihu 32).

Ọ bụrụ na ụgbọelu abịachaa laa, ndị mmadụ na-anọte aka tupu ha esi ebe ha zoro pụtawa iro. Nke a bụ aro a tụnyere Obinna na enyi ya dịka ohere ha nwere iji zuo ohi mmanụ ụgbọala. Ụgbọelu na-eme mkpọtụ, ọ na-akpasukwa nnụnụ dị iche iche ka ha nọrọ n'ize ndụ. Ụzụ ụgbọelu na-emetukwa ala n'onwe ya. Lee etu o si pụta ihe n'akụkọ a:

> … Ụzụ ụgbọelu malitere dasiwe ike, ọ dị ka ala na-achọ imi emi, dịkwa ka ọ na-achọ ifopu efopu. Mkpọtụ na ụzụ! Ala na mmejọ! Ndị ụjọ na egwu!... (ihu 106)

Nke a bụ mbibi dị egwu. Anyị ahụla na ụzụ ụgbọelu na-emetụta mmadụ, anụmanụ na ala nke bụkwa ụwa n'onwe ya.

Ụda bọmbụ

Ụda ọzọ kpara ike n'akụkọ a bụ ụda bọmbụ. Mkpọtụ ọ na-ebu na-adịkwa egwu. Naanị n'oge agha ka a na-anụkarị ya. Ewepụ igbu mmadụ, ike ọzọ bọmbụ na-akpa bụ ịsụchi mmadụ ntị site na mkpọtụ ya. Lee etu o si pụta ihe na *Jụọ Obinna*:

> … Naanị ihe Obinna chetara bụ na mgbe ha nọ n'ebe ahụ na o nwere ihe sere ka amụma. Ọ bụrụ na ihe ahụ mere mkpọtụ, ọ maghị, n'ihi na bọmbụ gbọwara bu ụzọ sụchie Obinna ntị tupu ọ ga-anụ ụda ya (ihu 36).

Ụda bọmbụ na-asụchi mmadụ ntị ma na-aghasakwa ha ụbụrụ. Ọ bụ ya na-ebute ọrịa a kpọrọ ọrịa atịlarị n'ihu 97. Dịka ha si kọwaa, ọrịa atịlarị na-eme mmadụ ka

ọ kpawa agwa dịka onye ara maka na echiche onye ahụ anaghị ezukwa oke. Ihe ọ bụla onye ọrịa atịlarị ji mebiri, a naghị ata ya ụta maka na ọ maghị ụma mee ya. Obinna maara nke a wee mee ka onye na-arịa atịlarị ndị soja na-eche nche n'ụzọ wee na-agbara ya ọsọ karịa ijide ya kpụnye na soja.

Oke agụụ n'obodo

Mmadụ dị ndụ kwesiri iri nri opekata mpe ugboro atọ n'ụbọchị. Nri bụ ihe kacha mkpa mmadụ chọrọ n'ụwa a. N'ebe ọbụla a na-alụ agha, nri na-adị ụkọ. Nke a bụ maka na ndị kwesiri ịkọpụta nri na-ezo onwe ha ebe a na-eze ndụ. Nri nke dịkwa n'ugbo bụkwa nke a na-emebi site na mgbọ egbe na bọmbụ. Oke agụụ mekpara ndị mmadụ ahụ nke ukwuu dịka a kọpụtara na *Jụọ Obinna*. Ọ bụ agụụ dubara Obinna n'ịga zuwe ohi mmanụ ụgbọala maka na ego a na-akwụ ya anaghị ezuru ya igote nri. Mgbe ego dị ya n'aka fọrọ naịra abụọ, ọ ka fọrọ abalị iri abụọ na abụọ tupu akwụọ ya ọzọ. O gosiri na Obinna nọ n'ime ụbịam. Ụbịam so agha mere ka Obinna na-achazi anwụ anwụ. Nri niile dị ya n'afọ gwụchara ọ bụrụ naanị ikuku na-apụkwa ma o mepee ọnụ ikwu okwu. Ọ bụkwa agụụ mere ka eriri afọ ya na-eme mkpọtụ.N'oge agha, mmadụ nwere ike ịnọ ọtụtụ ụbọchị n'erighị nri ọbụla. Nke a pụtara ihe mgbe Obinna lọtara ịhụ ndị be ha.

> Afọ Obinna sụrụ ka obere egbe mmiri. Obinna wee cheta na ọ dịla anya mgbe ọnụ ya detụrụ ihe ọbụla akpọrọ ihe oriri. Ugbu a, ụda egbe na-ada n'ime afọ ya akarịala nke na-ada n'ihu ọgụ. Agụụ na-ebuso afọ ya ọgụ (ihu 79).

Naanị ihe oriri ruru Obinna aka n'ọnọdụ dị etu a bụ oroma. Oroma ọ na-eju afọ? Mmadụ nwere ike ịracha oroma ka o wee mgharịa ọnụ mana ọ bụghị ka o wee rijuo afọ. Ya bụ ukwu oroma abụghị nke Obinna mana ọ dị njikere ịgba ọsọ ma ndị nwe ya chọọ ijide ya.

Oke agụụ dị n'obodo mere Obinna ji were ụkwụ site n'Owere-Ezukala gawa Ihiala ebe ụgbọelu na-ada ka o zute ohi okporoko. Ọ gabigara ọtụtụ ihe ize ndụ n'okporo ụzọ maka na ije adịghị nso. Site n'Owere-Ezukala, ọ gafere Ụmụnze, gafee Ajali, gafee Agụata, gafee Agụlụ, gafee Nnewi wee bata Ihiala bawazie Uli dị n'ime ya. Obodo ndị a niile nwechara ndị nche n'okporo ụzọ nwere ike ijide maọbụ gbuo onye na-aga ụdị ije a Obinna gara. Obinna mere nke a maka na ọ kaara ya mma ịnwụ n'ụzọ karịa agụụ igbufu ya. Agụụ dị n'obodo mekwara na anaghị achụ aja

maka na onye chụọ aja, agbataobi ya anara rie. Anụ, azụ na akwa ọkụkụ dị ezigbo ụkọ maka na ụda egbe na bọmbụ egbufuola ha. Ndị mmadụ kwesiri inye ha nri na-agbagharị n'ime ọhịa ebe ha na-eze ndụ.

Ọ bụ agụụ mere ka Obinna na Ndụbụisi ghara ikwu na mmadụ nwụrụ n'ụlọ mkpọrọ ha nọ. Ha họrọ ịgbachi nkịtị ka ha wee riwe nri onye ahụ maka na nke a na-enye ha anaghị eju afọ. Ọ kaara ha mma iri nri ga-ezuru ha n'ebe ozu na-esi isi dị karịa iburu ọnụ. Nke a na-egosi anyị ihe agụụ merela ha. Ma mmiri ọñụñụ dịkwa ụkọ n'otu aka ahụ. Ma mgbe a kpọpụtara ha na mkpọrọ tinye ha n'ihu ọgụ, ezigbo agụụ jicha ha. Ya mere o ji ewutere Obinna maka na ọ ga-eburu agụụ laa na be mmụọ. Ha bu afọ agụụ were na-egwu olulu ha ji eze mgbọ. Nnukwu mbibi ka ọ bụ. Mgbe agha biri, lee ihe Ubesie kwuru maka ihe agụụ mere Obinna:

> Mgbe a na-alụ agha, agụụ gwuru ya olulu n'afọ. Ya bụ olulu ka Obinna siri ọnwụ na-ekpochi site mgbe ọgụ biri. Kama nri ọ ga-eri agaghị ebu ibu, ya adịla ụtọ (ihu 130).

Ọ bụkwa agụụ butere ọrịa a na-akpọ kwashịọkọ. Ụmụaka ka ya bụ ọrịa kacha wee metụta. Afọ na isi onye ahụ ga-ebu ibu ebe ahụ ya ndị ọzọ ga-amịkpọ amịkpọ. Mgbe Obinna na Ndụbụisi butere igbe n'ọdụ ụgbọelu ha chere na ọ bụ ego jupụtara na ya, ha mepere ya hụ na ọ bụ ozu nwantakịrị ọrịa kwashịọkọ gburu. N'ezie, agha ajọka.

Mbibi gburugburu

Mgbe a na-alụ agha, anaghị emere gburugburu ebere. Etu ndị mmadụ si emeso ụwa bụ nke jọgburu onwe ya na njọ. E mebisichaa gburugburu ndị a, ọ na-emetụta ndị fọrọ n'ụwa n'ụzọ adighị mma. A lụsịa agha, ọ ga-ewe ọtụtụ afọ tupu e dozichaa ihe ndị e mebiri. N'akwụkwọ nlere anya, mgbe Obinna na ndị soja gara n'ihu ọgụ, ihe mbụ ha mere bụ igwu olulu ha ga-anọ na-eze mgbọ. Ụdị olulu a na-adị omimi ka ogologo mmadụ. Ndị soja niile na-egwu nke ha n'otu n'otu. Kedu onye ga-ekpochi olulu ndị a? Ọ bụ mbibi nye gburugburu. Mmadụ maọbụ anụmanụ nwere ike ịdaba n'olulu a n'amaghị ama. Ma enyemaka abịaghị, o nwere ike ibute ọnwụ. Ihe ọzọ e ji bibie gburugburu bụ mgbọ egbe. Lee etu o si mee n'akwụkwọ njiarụọrụ:

> O si n'ọvụ ọ nọ welie anya hụ ozu otu onye shel gburu. Ọ chọọ ka o si n'ọvụ ahụ pụta je lee ma ọ bụ ozu Ọnyịdo, mgbe egbe si ya

> n'akụkụ ntị fefee, je bejiri alaka osisi dị ya n'azụ tụhapụ n'ala (ihu 59).

Ukwu osisi dị mkpa na gburugburu. Ọ bụ ya na-eme ka ikuku dị mma na-efekwasa mmadụ. Ọ na-eweta ndo ebe ọ nọ. Ọ na-emekwa ka obodo ghara ịbụ ọzara. Alaka osisi ọbụla e ji mgbọ gbajie enweghị ndozi n'ụdị ọbụla. Ọ na-enwe ọtụtụ afọ tupu o putekwa ọzọ. Ọ bụghị naanị osisi ka mgbọ egbe bibiri na gburugburu: ụlọ mmadụ sokwa ya. Lee ka e si kọọ ya na *Jụọ Obinna*

> … Ọ bụrụ na o nwere onye gafere Mkpọọ jewe Ọnịcha mgbe ọgụ biri, ọ ga-eji ihe mgbọ mere osisi na ụlọ dị ebe ahụ wee mata ihe o mere ụmụ okorobịa nne na nna ha mụrụ (ihu 91).

Nke a gosiri na agha ghasara gburugburu mmadụ. Ọkọ akụkọ na-ekwu na mgbe agha biri, mbibi ndị a ka dị na gburugburu dịka apa anaghị apụ ngwa ngwa. Mbibi gburugburu sokwa n'ihe butere agụụ n'oge agha. Mmadụ na-ebibi ihe a kọrọ n'ugbo n'eleghị anya n'azụ maka ọ na-eze ndụ. Lee etu o si mee n'akụkọ a:

> Ọ dị mkpa ịkọkwa akụkọ maka ome ji na osisi akpụ ole Obinna ji ụkwụ zọgbuo ebe ọ na-awaba n'ime ọhịa? Echeghị m na ọ dị mkpa (ihu102).

N'ala Igbo, ịtubi ome ji bụ nsọala mana ọ bụghị maka oge agha. Odee kwuru na ọ dịghị mkpa ịkọwa maka ole Obinna lara n'iyi ebe ọ na-agba ọsọ. Ji na akpụ ndị a Obinna lara n'iyi agaghị emeta nri etu o kwesiri. Ahụhụ mmadụ tara wee kọọ ya abụrụla ihe efu. Emesia, ọtụtụ mmadụ ga-ata ahụhụ ya n'oge owuwe ihe ubi.

Ọ bụghị naanị ihe na-epu epu na gburugburu ka e bibiri. Anụ ụlọ na anụọhịa ketakwara oke na ya. Mgbe Obinna chọrọ ime aghụghọ dịka onye e meruru ahụ, uriom ka o gburu were ọbara ya fesa na bandeji Ọnyịdo kere ya n'aka. Ọ bụghịzi naanị egbe na-egbu nwa ọkụkọ, mmadụ sokwa eme ya maka agha. Uriom kwesiri ito mụtakwa ndị ọzọ tupu e rie anụ ya esila etu a laa. Etu a ka ụmụ anụ ndị ọzọ nọkwa n'ize ndụ n'oge agha. Ụgbọelu jeetị butere ụjọ n'ebe mmadụ na anụmanụ nọ nke mere na ha anakwaghị ebe ụñara n'abalị. Ụñara ọbụla ha mere ga-agbara onye iro ama ebe ha nọ.

Mgbanwe ihu igwe

Akparamaagwa mmadụ ọ kachasị n'oge agha nwere ike ibute mgbanwe ihu igwe. Ihe niile na-eme n'ụwa dịka o si gbasa ihu igwe nwere oge nke ya. E nwere oge udummiri nwee ọkọchị. E nwere abalị nwekwaa chi ofufo. Etu a ka e si nwee oge ọnwa, anyanwụ na kpakpando ji apụta. Nke ọbụla mara oge o ji apụta na oge o ji alakpu. Ihe ndị a niile na-enyere mmadụ aka n'obibi ndụ n'elu ụwa. Mana ọ malite inwe mgbanwe etu o kwesighị, ị mara na nsogbu dị. Lekwa etu o si mee na *Jụọ Obinna*:

> Ọ bụ eziokwu na ọnwa dị n'igwe, ọnwa ka nọ n'okpuru urukpuru igwe, nke bụ na ntakịrị ọchịchịrị gbara. Ozugbo ha na-eru ebe ndị na-eche nche nọ na-ehi ụra nso, ọ dị ka ọnwa si n'ebe o zoro wee pụta (ihu 29).

N'ebe a ọtụtụ anwụrụ lara n'igwe ebutela mgbanwe ọnọdụ ihu igwe. Ọnwa kwesiri iji nwayọ nwayọ wee pụta n'oge ya mana ọ pụtara n'ike ebe a. Etu akparamaagwa mmadụ si metụta ya kpatara nke a. Lekwa ebe mgbanwe ihu igwe pụtara ihe n'akụkọ a:

> Ihu bụ igwe naanị ọchị. Anwụ na-ekesikwa ike. Ikuku kuru ntakịrị kwụsị, ka ọ ga-asị na ihe dum a na-eme agwụla ya ike, ma ụmụ nnụnụ enweghị nke egwu kwere pụta ezi…(ihu 35).

Ebe a ka ikuku kuru ntakịrị kwụsị. Odee kwuru ihe o chere butere nke a. Ọ dị ka a ga-asị na ihe niile a na-eme agwụla ikuku ike. Ihu dị igwe mma, ihe ga-esochi ya bụ ụgbọelu dị iche iche. Ihe ndị mmadụ na-eme n'oge agha metụtara ekere dị n'elu nke na-enyere ụwa aka. Lekwa ebe ọzọ o mere:

> …Onye ọbụla nọkatara mụnye ọkụ n'Uli maọbụ n'Ihiala n'oge abalị na-asị ụgbọelu ya zitere ya ozi. Ozi ọ ga-ezitere onye ahụ bụ bọmbụ maọbụ egbe. O nweghị onye nwere ike ikwu ebe mmụnwụ ọnwa na-ezo onwe ya n'oge ọgụ a, n'ihi na ọ dị ka ọ marala na ụgbọelu hụ ya na ọkụ ya, na o nwere ike ịtụrụ ya bọmbụ nke ya (ihu 103).

Odee emeela ka anyị mara na ọ bụ ụda bọmbụ na anwụrụ ọ na-akpọga n'igwe mere ka ụjọ na-atụ ya ịpụta. Nke a pụtara na agha na-eme ka ihe ekere na-ezo onwe ha ezo n'oge ha kwesiri ịpụta.

Nchịkọta na mmechi

Agụmagụ dịka ọrụ nka bụ enyo e ji ahụta ndụ na obibi ya. Ụwa anyị nọ n'ime ya akaala nka. Ọ bụ akaọrụ anyị bụ mmadụ kpatara nke a. Ọrụ nchọcha a sitere n'agụmagụ wee gosi ụwa anyị nọ n'ime ya na etu ndị mmadụ si akpa agwa megide ụwa. Atụtụ ekokritisizm ka anyị ji gosipụta ụwa agha na mbibi so ya dịka e zipụtara ya na *Jụọ Obinna*.

Anyị hụtara na oge agha na ndụ mmadụ na-ezute ihe ike dị iche iche. Obinna bụ isi agwa nakwa agwa ndị ọzọ nara ihe otiti dị egwu n'aka ndị soja. Mgbarụ ikuku bụkwa ihe ọzọ na-emetụta mmadụ na gburugburu ya n'oge agha. Anyị hụtara etu ísì si dị n'ụlọ nga a tụnyere Obinna na ndị ọzọ. N'oge agha, a na-enwekwa oke ụzụ na mkpọtụ. Dịka anyị hụtara ya, ọ na-esite n'ụda ụgbọelu, ụda egbe na bọmbụ. Mkpọtụ ndị a na-asụchi ntị ma na-ebute ọrịa atịlarị tinyekwara ala ọma jijiji. Nchọcha a gosikwara okee agụụ dị n'oge agha nke na-ebute ọrịa kwashịọkọ. N'oge agha, a na-enwe ọtụtụ mbibi nye gburugburu. Mbibi ndị a na-emetụta ọhịa na ugbo nke na-ebute ụkọ nri ọbụladị mgbe agha biri. Mgbanwe ihu igwe na-esochikwa ya anya. Site n'ihe ọmụmụ a anyị chọpụtara na ihe atụtụ ekokritisizim na-ekwu zipụtara onwe ya ebe ọ dị ukwu na *Jụọ Obinna.* Anyị hụtara ihe njikọrọ agụmagụ, omenaala na gburugburu mmadụ. Isiokwu ihe ọmụmụ ekokritisizim bụ inye nghọta gbasara ka ọrụ nka agụmagụ na omenala si ezipụta ma na-metụta ihe ekere ụwa na ka ha si enye aka ikwalite nghọtawanye ihe ekere na gburugburu mmadụ. Ihe ndị a ka anyị hụtara na ntụcha e mere ebe a. Mbibi ndị agha butere n'akụkọ njirụọ ọrụ mere o ji dị mkpa isepụ aka n'ihe na-ebute agha. Site n'ihe ndị a chọpụtara, ndị nchọcha na-akpọku ndị ọchịchị ka ha na-eme ihe kwụ ọtọ nke ga-egbochi ịkpali oke ndọrọndọrọ na iwe n'obodo. N'aka nke ọzọ, ndị ntorobịa ka a na-enyekwa ndụmọdụ ka ha were mkpaṛitaụka soro nghọtahie ọbụla dapụtara n'obodo karịa ịkpụ ngwaagha na ịma tigbuo zọgbuo.

NRỤMAKA

Ajayi, E. K. (2023) *National building basic science and technology 2.* Ikeja Lagos: Academia Publishers.

Akaeze, C. M., Aboh, S. C na Ugwoke, P. E. (2021). *Ntọala ọdịnịgha Igbo ọlọrọọhụrụ.* Obosi: Pacific Publishers.

Castro, S. (2020). Destruction. Available in, https://wwwaesacademy.org>books>edcrs-vol-1

Clark, R. (1971). *The science of war and peace.* London: Jonathan Cape.

Eni, O. (2018) War as a humanitarian and environmental tragedy: An eco-critical reinterpretation of Buchi Emecheta's destination Biafra. *Journal of Contemporary Research 15* (4) 86-102.

Fried, M. B. (2014). *Austro-Hungarian war aims.* London: Palgrave Macmillian.

Glotfelty, C. and Fromm, H. (eds.) (1996). *The ecocritisizm reader: landmarks in literary ecology.* Georgia: University of Georgia Press.

Gogoi, G. (2014). An ecocritical approach to Chinua Achebe's things fall apart and arrow of God. *Journal of Humanities and Social Science 19* (11), 01-04

Hornby, A. S. (2020) *Oxford advanced learner's dictionary of current English 10th edition.* London: University Press.

James, P. and Friedman, J. (2006). *Globalizing war and intervention.* London: Sege Publications.

Javed, I., Nadeem, K. and Abdullah, A. (2024). The role of literature in addressing climate change: An ecocritical analysis of Omar El Akkad's American war. *Pakistan Languages and Humanities Review 8* (3), 47-55.

Jiang, G.(2022) 'The concept of destruction.' Available in, https://www.atlantis-press-om>article

Kallen, H. (1939). Of war and peace. *Social Research 1,* 373-374

Opperman, S. (1999). Ecocritisism: Natural world in the literary viewfinder. *Journal of Faculty of Letters 16*(2), 29-46.

Rueckert, W. (1978). Literature and Ecology: An Experiment in Ecocriticism. *IOWA Review 9,* 71-86.

Sarver, S. (1994). What is Ecocriticism? In S. O'Grady (Ed). *Defining Ecocritical Theory and Practice: Sixteen Position Papers from the 1994 Western Literature Association Meeting.* Salt Lake City: Utah 6.

Sorel, G. (1912). *Reflections sur la violence.* Paris: Riviere.

Ubesie, T. U. (2023). *Jụọ Obinna.* Ibadan: University Press Limited.

Wright, Q. (1965). The exalation of international conflicts. *Conflict resolution 9* 434-449